ÉKWÉ JỌNAL NKE NDỊ IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA, Volume 15 No 2, May, 2022. ISSN: 2476-8448 ISSN: 2476-8448

# Mpụtara Ozi n'ụdị Ọdịnaala na Mmetụta ya n'ụwa Ọhụrụ ndị Igbo

nke

**Ọnụọra Ngọzị Theresa**
Alex Ekwueme Federal University Ndufu Alike
Ebonyi State.
tessyblessed@gmail.com

na

**Obiakor Ethel Ebere**
School of General Studies,
Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerr
Imo State
motherlytouch22@gmail.com

## Ụmịedemede

Nzịkọrịta ozi dịka o si were dị n'ụdị ọdịnaala metụtara ụzọ dịgasị iche iche ndị Igbo si agbasa ozi ka otu onye ma ọ bukwa ọhaneeze mata ihe e kwuru maka ya. E nwere ụdị nzịkọrịta ozi dị ịche iche. E nwere nke mmadụ kwuru n'ọnụ na nke ogbi; nwekwa nke anụ na-eku ume nakwa nke ihe anaghị eku ume. Mana ụdị nzịkọrịta ozi pụtakarịcha ihe ọfụma bụ nke e kwuru n'ọnụ, nakwa oge ụfọdụ nke e ji mmegheri ahụ ziputa. N'ala Igbo, ọtụtụ ihe dị iche iche ka ndị Igbo na-ahụta dịka ihe kwụ ekeresu izisa ozi n'ihi na ha pụrụ izi mmadụ ozi gbara ọkpụrụkpụ ma dịkwa omimi mana ha abụghị mmadụ nke ha jikwa asụ asụsụ. Nke a mere ndị Igbo ji na-ekwusị "na ahịhịa dị n'ọhịa nwere ntị nwekwa ọnụ", mana tata ụfọdụ ihe ndị ahụ gbasara ezimozi ọdịnaala dịzị ka ịgọ mmụọ ma ọ bụ nkwenye ndị amaghị maka ihe omimi sayensị. Ndị nchọcha ga-agagharị na Steeti ise dị n'ọwụwa

anyanwụ Naịjirịa bụ ebe ndị Igbo biga were chọpụtagasịa ụmụ ihe ọdịnaala ụfọdụ e ji ezikọrịta ndị mmadụ ozi wee ruo taa. N'usoro nchọcha a, a ga-agbado ụkwụ n'ajụjụ ọnụ, bịa mee ńgagharị jụpụtacha ndị mmadụ ole na ole ụka n'ọnụ maka nchọcha a. Ọ ga-achịkọta ụsa o nwetara n'ọnụ ndị mmadụ, tụchaa ha ọfụma, bịa gosipụta ndị kwesịrị nchekwaba nakwa ndị ikuzi n'ụlọ akwụkwọ anyị ga nakwa mba ofesi ga.

**Ọkpụrụkpụokwu:** Nzikọrịta ozi, ọdịnaala, ụwa ọhụrụ, asụsụ na nkwenye

**Mkpọlite:**

N'ala Igbo nke dị n'ọwụwa anyanwụ Naịjirịa, e nwere ọtụtụ ihe na-ezisa ozi mana ọ bụghị mmadụ. Nzisa ozi pụtara mgbe e mere ka otu onye ma ọ bụ karia mata ihe dị mkpa. Nzisa ozi dịka Okunna (1999) siri dee ya, pụtara nkata izugbe. Ọ gara n'ihu kọwaa na mgbe ozi nọ n'ụdị izugbe, ọ pụtara na ọ bụghị ihe a kwadobere maka otu mmadụ kama na ọ bụ maka ọhanaeze. Black na Haroldsen (1995) kwuru si nzisa ozi bụ etu e si egosipụta mbumnuche, nkọwapụta, etu e si emepụta ihe nakwa omume site n'iji akara, okwu ọnụ, eserese, ederede, nakwa ihe ndị ọzọ ga. Ọtụtụ ihe ndị ọzọ ga ahụ bụ anụ dị ndụ, ebe ụfọdụ bụ ihe dịrị onwe ha kama na ha nwere nnukwu ikikere izisa ozi gbara ọkpụrụkpụ. Nke a mere Okeke na Obasi (2014) jiri kwado na nzikọrịta ozi e kwughi n'ọnụ nwere ụzọ abụọ gbara ọkpụrụkpụ dịka ụzụ nke anụmanụ na nke ihe a na-ahụ anya. Dịka ha siri dee ya, o nweghị okwu a ga-anụ mana e zipugo ozi gbara ọkpụrụkpụ. Etu Akpabio (2003) siri kọwaa, izikọrịta ozi ọdịnaala bụ ozi nke ndị bi n'obodo na-aghọta. Mgbe elu bụ ala ọsa, ndị Igbo anaghị eleda ihe ndị ahụ anya maka na ha matara uru ha niile bara. Ugbu a, ọtụtụ ndị Igbo ụwa ọhụrụ na-ahụtazị njirimara ndị Igbo dịka ife alụsị ma ọ bụ nkwenye ndị amaghị Kraist ma ọ bụkwanụ ndị agụghị akwụkwọ maka ihe omimi sayensị. Nke a jọgburu udele ma sigbukwa nkapị n'isi maka na ndị nne na

nna ụwa ọhụrụ anaghịzi ekweta ka ụmụ ha sụọ asụsụ Igbo n'ụlọ nakwa n'ama, kwubezie ịkọwara ha ihe ndị obodo jiga ezisa ozi ọdịnaala. Mana ndị nchọcha chọpụtara na nukwu ihe gbara ndị ụfọdụ ume bụ n'agbanyeghị mkpagbu niile ndị ụwa ọhụrụ na-akpagbu ihe ọdịnaala, ọtụtụ ihe ọdịnaala ekweteghị na ha ga-ala mmụọ. N'ikwado nke a, Onuora na Obiakor, (2020: 183) kọwara na a tulechaa nchọcha, o gosiri na ọtụtụ ihe ọdịnaala jụrụ kpam kpam ịla mmụọ. Ndị ụwa ọhụrụ na-agbasi mbọ ike ka ha gosi na ezi adịghịzị n'ukwu ukwa maka na mgbe nwatakiịrị amaghị asụ asụsụ ara nne ya, keduzi ka ọ ga-esi mata mgbe ihe abụghị mmadụ ziri ya ozi? Mgbe ọ nụghị nke mmadụ na-ezi, ọ ga-abụzị nke anụ ma ọ bụ ihe ndị ọzọ ka ọ ga-anụ? Nchọcha a gosiputara na nzikọrita ozi ọdịnaala jụrụ, jụsie ike ịla mmụọ. Ndị nchọcha gara Steeti ise dị n'ala Igbo were gbaa ndị mmadụ ajụjụ ọnụ n'ụzọ pụrụ iche were nweta ọkpụrụkpụ ngwa ha jiri mee nchọcha ya.

## Afikpo

N'Afikpo mgbagugwu nke dị na Steeti Ebonyị, o nwere ihe ha na-akpọ ivu mkpọ mkpọ. Ihe nke a pụtara bụ mgbe ọha obodo bịara bukosịa ngwo ngwo na nyọnyọ dị iche iche dịka nsị, ahịhịa, okwute, nri gbara uka nakwa ihe ndị ọzọ adịghị mma ile anya bukọọ ha n'ọnụ ụlọ mmadụ, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ kpara arụ. N'ebe ahụ, ihe ọzọ ha ji egosi arụ bụ nke ha na-akpọ horii. Horii a bụ mgbe ndị agadị nwaanyị niile na-eji mkpọ sụrụ mkpọ ha bịa na-atọgbọrọ onye ahụ n'otu n'otu n'ihu ụlọ ya, ọ na-eziko na onye ahụ akpaala arụ. Ọza ajụjụ ọnụ nyere ọmụmaatụ ihe mere n'afọ abụọ gara aga. Nwaanyị gara n'obodo ọzọ wee gwọta ọgwụ o ji gbuo nwunye di ya na ụmụ ya niile, mgbe ndị obodo gara jụọ ese mata na ọ bụ nwaanyị ahụ, ndị agadị nwaanyị gara mee horii. Ọzọ kwa bụ mgbe mmadụ batara n'ụlọ ma ọ bụ teta n'ụra hụ ọmụ nkwụ e kedoro n'ọnụ ụzọ ya, ọ mara na o ji ọha obodo ụgwọ, nke na ime isike ikwụ ya, ọ bụrụ otu osisi na-eme ọhịa.

## Ọhaọzara

N'Ọhaọzara nke dị na Steeti Ebonyị, onye ọ bụla mara na nkịta na-agbọ ụja, ọ naghị ebe akwa. Nke a mere na mgbe nkịta bere akwa n'Ọhaozara, a mara na ihe mere be mmụọ bụ nnukwu ihe ga-ada gbim n'ala mmadụ. Ya mere na ha nuraa akwa nkịta, ọ kachasị n'oge abanị, a mara na mmadụ ga-anwụ. Akwa nkịta abụghị ihe efu n'obodo ahụ. N'obodo ahụ, ijere na ngwere na-egosi ma onye nwụrụ anwụ ọ bụkwa ezigbo mmadụ ka ọ bụ ajọ mmadụ? Mgbe onye mere ihe ọjọọ nwụrụ, ijere ga-agba ụlọ onye ahụ tupu e lie ya. Mgbe ijere agbaghị ụlọ ya, e lee anya mata ma ngwere ọ ga-aba n'ime ili ya tupu e lie ya, ka ngwere ọ ga-agbagharị n'elu ili ya mgbe e lichagoro ya, mgbe otu n'ime abụọ mere, ihe ọ na-egosi bụ na onye ahụ ebighi ezigbo ndụ. Onye ahụ bụ ajọ mmadụ kpara arụ mgbe ọ dị ndụ. Mgbe ndị mmadụ hụrụ ụdị ihe a, ndị okenye nwere omenaala ha ga-eme ka e medaa ndị mmụọ obi.

## Ishiagụ

Ishiagụ dị n'okpuru ọchịchị Ivo nke Steeti Ebonyị kwenyere na egbe igwe na-ezi ha ozi were ruo n'ụwa ọhụrụ. Ha si na mgbe egbe igwe gbagburu mmadụ n'obodo ha, ozi ọ na-ezi bụ na onye ahụ abughị ezigbo mmadụ. Onye ahụ mere arụ, aka ya adighị ọcha. Nke a mere na a gaghị emetu ozu onye ahụ aka were ruo mgbe ndị a na-akpọ ndị Amagụ bịara mee omenaala tupu e buru ozu onye ahụ lie. Nke a ga-eme na a gaghị eme akwamozu ya ruo afọ asaa. Ihe ọzọ na-ezi ha ozi bụ ji. Mgbe ọ bụla e kekọrọ mba ji anọ bukwasa nwaanyị nọ na di n'isi, ihe ọ na-ezi ọhanaeze bụ na nwaanyị ahụ gbara n'ezi. Ndị a na-akpọ ndị isi ada ga-eduru ya dunaga bee nna ya maka na o mere ihe obodo na-asọ nsọ. A na-ebunyekwa nwaanyị ọ bụla na-eti di ya ihe, ma ọ bụ na-eme nnukwu isike ji anọ were kpọnaga ya be nna ya.

Mgbe di nwaanyị nwụrụ, o yibe otu akwa rue ọnwa atọ, igosi na ọnwụ di ya wutere ya nke ukwuu. N'Ishiagụ ọ bụghị mmadụ niile di ha nwụrụ na-eyi otu akwa were ruo ọnwa atọ. Ụfọdụ ndị nwaanyị na-enwe ọtụtụ akwa ha ji akwa di ha. Mana onye ziputakarịrị ozi mwute di ya bụ onye yiri otu akwa wee ruo ọnwa atọ.

Nnukwu ihe ọzọ ndị Ishiagụ ji ezisa ozi ọdịnaala bụ ákó. Ákó bụ ihe dịka oche nwaanyị ji esi nri n'ụsọekwu. Ọ bụ nnukwu ihe dị oke ọnụ n'ala Ishiagụ n'ihi mpụtara ya. Nwaanyị ọ bụla lụrụ di ma e jighi ákọ́ duo ya ụlọ, a mara na o nweghị mmadụ bee nna ya. Ákó bụ ebe ikike nwaanyị ọ bụla lụrụ di n'Ishiagụ dị. Mmadụ ọzọ apụghị itukwuru n'ákó nwaanyị ma o nyeghị ikikere. Mgbe nwoke pụtara buputa ákó nwụnye ya mebisibe ya, ozi ọ na-ezi ọhanaeze bụ na ọ chọghọzị ịlụ nwaanyị ahụ. Dịka omenaala ha si kwado bụ na o nwekwaghị ihe ga-eme ka ya na nwaanyị ahụ biri ọzọ na ndụ ma n'ọnwụ karịa ma mgbe o bidoro yọba nnukwu arịrịọ. A chọzịkwa imezi ákó ahụ mgbe o foro nwoke n'anya, ọ bụ ndị a na-akpọ ndị Amagụ ka ọ dịrị imezi ya ọzọ. Ihe ọzọ ha ji ezi ozi ọdịnaala bụ iwepụta aka mmadụ n'akpatị ozu magbe a na-eli ya. Mgbe ọ bụla e weputara ofu aka mmadụ tupu e lie ya, ihe ọ pụtara bụ na ọbara dị n'ezinaụlọ ya. Nke a ziputara na ya ma ọ bụ nwanne ya egbunugo ọchụ.

**Ikwo:**

N'Ikwo nke dịkwa na Steeti Ebonyi, Ikoro (Opuịnya) anaghị ada na nkịtị. Mgbe ọ bụla Opuịnya dara, a mara na ọ na-akpọkọ ọha obodo maka ọnwụ nnukwu. A naghị egbu opuinya ma ọ bụghị mgbe oke mmadụ pụrụ. Ndị Ikwo kwenyesiri ike na e lisie onye nwụrụ anwụ, na ofu anụ ga-ezipụtarịrị ozị. Anụ ndị a bụ ọkụkọ na ngwere. Mgbe ọkụkọ riri nri n'elu ili onye nwụrụ anwụ, ozi ọ na-eziputa bụ nnukwu ozi mara mma maka onye e liri ebe ahụ. Ọ na-ezipụta na onye ahụ biri ezigbo ndụ tupu ọ nwụọ. Mana mgbe ngwere bịara

riwe nri n'elu ili, ihe ọ pụtara bụ na onye ahụ bụ nnukwu ajọ mmadụ mgbe ọ nọ ndụ. Ọ kpara nnukwu arụ zoro ezo mgbe ọ nọ ndụ.

**Enugwu-Ezike**

N'obodo Enugwu Ezike nke dị na Steeti Enugwu, ọtụtụ ndị mmadụ nwere nkịta maka ozi dị iche iche ọ na-ezi ebe ahụ. Mgbe ọ bụla nkịta bidoro gwube ọnụ n'ala, a mara na o nwere ihe ọjọọ dị n'ebe ahụ, dịka ajọ ọgwụ e liri ka mmadụ daa n'ọrịa, nwee nsogbu ma ọ bụ nwụọ ọnwụ. Oge ụfọdụ, nkịta na-egwugide ọnụ n'ala were bọpụta ogwụ ahụ. Mgbe ọ bụla nkịta bidoro bewe akwa, a mara na mmadụ-ga-anwụ n'okirikiri ahụ. Mgbe nkịta gbọwara ụja n'abanị, a mara na onye ọjọọ ma ọ bụ mmụọ ọjọọ nọ nso.

N'ebe ahụ, ha ji ihe dị iche iche ezipụta na mmadụ anwụghị ọnwụ chi ya site n'itinye ofu ihe ma ọ bụ nke ọzọ n'aka onye nwụrụ anwụ. Ha nwere ike itinye azịza nke zipụtara ka ọ gaa zachapụ ndị gburu ya. Ha na-atinyekwa osisi akpụ ka o were gaba tigbuo onye gburu ya. Ya mere na mgbe ọ bụla mmadụ hụrụ ụdị ihe ndị a, ihe o zipụtara bụ na e gburu onye ahụ egbu. Mgbe mmadụ na-aga n'ụzọ were hụ ogwumeagala ka ọ na-abia n'ihu, ihe o zipụtara bụ na onye akụkụ ahụ ya ga-anwụ. Mana mge ogwumeagala na-eme ngafe, ihe o zipụtara bụ na mmadụ bi n'okirikiri ahụ ga-anwụ. Otu a ka ọ dịkwa mgbe ikwuikwui bewere n'akụkụ ụlọ ha, o ziputara na mmadụ ga-anwụ n'okirikiri ahụ. Mgbe ọkụkọ bidoro ịkwa akwa aghara aghara n'ehihe, ihe o ziputara bụ na ndị mmụọ na-agafe, ka onye ọ bụla kpuchie onwe ya ọfụma tupu mmụọ ọjọọ aba ya n'ime.

**Oji-Riva:**

N'Oji-Riva nke dị na Steeti Enugwu, itinye mkpụrụ akị n'ime mmanya ngwọ bụ ofu ụzọ e si ezipụta na alụmalụ abịala n'isi njedebe. Mgbe ọ bụla nwoke na nwunye ya sere okwu nke nwere ike itisa alụmalụ ha, nwoke eweta mkpụrụ akị tinye n'ime obele mmanya ngwọ, buru gawa na be ndị ọgọ ya, ọ bụrụ na ya na ọgọ ya nwoke ṅụọ mmanya ṅụta mkpụrụ akị, ha amara na nwoke ahụ achọghịzị nlụkọ ya na nwa ya nwaanyị. Ugbu a, ihe a ga na-ekwuzi okwu ya bụ etu ha ga-esi kwụ nwoke ahụ ụgwọ enwe ya (ụgwọ isi ọ kwụrụ n'isi nke nwaanyị)

N'aka nke ọzọ, mgbe nwaanyị nwere esemokwu lara be nna ya ụbọchị ahịa nkwọ, ihe ọ na-ezipụta bụ na nwaanyị ahụjula anya nke na ọ gaghị emelinwu ihe dị n'alụmalụ ya ọzọ. Nke a pụtara na o nweghị amụma sepụtanwuo udo n'etiti ya na di ya ọzọ. Ihe o ziputara bụ na a lụchaa kpam kpam. Ihe ọzọ dịkwa n'alụmalụ bụ na ọ bụrụ na mgbe a na-eme mmemme agbamnkwụ nwaanyị, nna ya bunye ya mmanya ka ọ chọta di ya, mmanya ahụ ghafunarị ya, ọ na-eziputa na alumdi na nwunye ahụ agaghị enwezi isi. Onye ọ bụla ga-ejikere laba maka na nwa a bịara iku anwụọla.

Ọzo kwa dịka ibe ya bụ na mgbe mmadụ kpọchịkọrọ be ya pụọ apụọ, lọta were hụ ebe e tinyere ya akwụkwọ ndụ n'ọnụ ụzọ ya, ihe o ziputara bụ na mmadụ chọtara ya ma o nweghị onye ọ hụrụ. N'ihi na ihe e ji mara obodo a bụ mmiri, o sokwa n'ihe e ji nye ya aha Oji-Riva. Mgbe mmiri riri mmadụ n'obodo ahụ, ihe nziputa ya bụ na onye ahụ, nne, nna ma ọ bụ nwanne afọ onye ahụ bụ ogbu ọchụ. Aka otu onye n'ime ha adịghị ọcha. Ihe ọzọ na-eziputakwa aka adịghị ọcha bụ mgbe eke bịabara n'ụlọ mmadụ ugboro ugboro. Eke abụghị ihe a na-ahụ ọsịịsọ n'ebe ahụ, ya bụ na a hụba ya n'ụlọ mmadụ, a mata na onye ahụ bụ ajọ mmadụ nke ji ndị mmụọ ụgwọ.

**Imilike**

Ndị Imilike bi na Steeti Enugwu nwere ọtụtụ ụzọ ha si ezikọrịta ozi mana mmadụ ekwughị okwu. Ha nwere nke ha kpọrọ ịtọgbọ obele mmanwụ ọcha. Nke a na-eme mgbe mmadụ gara ajọ ije, ike kwe ọ bụrụ mgbe mmadụ gara ohi, ma ọ bụ mgbe nwoke zupuru onwe ya gakwuru nwunye mmadụ were zokpuru onwe ya banye n'ụlọ ya n'ejighị ọkụ. Ndị nọ nche abalị ga-ahụ ya ma debe anya ka ha ahụghị ya, mana tupu chi efuo, onye ahụ agaghị ama mgbe ndị nche ahụ ga-ewetara ya nnukwu obele debe ya n'ihu ụlọ ya. Ihe nke a pụtara bụ na ọ ga-agbara ọsọ ga-azụta mmanya nkwụ elu karaka bute ya n'ụlọ onyeisi obodo bịa kọwa ije ya. Ọ kọwata onwe ya ọfụma, ọ lawa mana ọ kọwaghị ihe doro anya, ndị obodo ada ya nha.

Ha ji ọmụnkwụ agwa mmadụ na-achọghị mmadụ. Nke a na-apụtakarị ihe mgbe mmadụ dara n'oke ọrịa ndị mmadụ na-eche na ọ bụghị orịa bịra onwe ya. N'ọnọdụ a, a na-eche na ọ bụ mmadụ nyere ya ma ọ bụ tọgbọrọ ya nsị, a ga-ewere ọmụ nkwụ kechịe n'ihu ụlọ ya. Ihe nke a pụtara bụ na, a chọghị onye ọ bụla ịbata leta ya. Mmadụ nwụọ ebe ahụ, ụmụ ya niile ga-etibi akwa ozu n'azụ, ebe ụmụnne ya niile ga-etibi akwa ozu n'akụkụ ha rue otu izu. Ha ga na-etibi ya aga ebe niile dị mkpa dịka ahịa ma o bụ ozi ndị ọzọ. Mgbe ọ bụla a hụrụ onye tibiri akwa ozu, ihe ọ pụtara bụ na nne, nna ma ọ bụ nwanne ya nwụrụ anwụ.

Ihe ọzọ ha ji ezi ozị bụ mgbe nwoke lụrụ nwaanyị gara zụta mmanya nkwụ elu, tinye ya akwụkwọ ube were mee ka o gosipụta n'elu obele mmanya, onye ọ bụla hụrụ ya amarala na alụmalụ ya abịago n'isi njedebe. O nweghị ihe a na-ekwute ya mana ugbu a, agbamakwụkwọ ndị ụka nakwa nke ndị ọkaiwu anaghị ekwe ka a ghara ikpe ya ekpe.

**Akpawfụ, Nkanụ**

Akpawfu Nkanu dị na Steeti Enugwu ji azịza ezisara ndị mmadụ na arụ emeela. Mgbe ọ bụla a chọpụtara na nwoke dinara nwa ya nwaanyị, tubara ya ime ma ọ bụ a tụbabaghị ya ime, ndị obodo ga-ejikọta aka ọnụ wegara ya ukwu azịza. Ihe Nke a na-ezipụta bụ na a zaghachị arụ ahụ n'isi ya. O gosiri na aka ha adighị ya, na ihe onye metara, o were isi ya buru. Ha ji azịza ahụ agwa ndị mmụọ na-ata onye kpara arụ ahụhụ na ha akwadoghị arụ nwanne ha kpara.

N'ebe ahụ kwa, a dịghị egbu anụ a na-akpọ enwe. Ihe kpatara nke a bụ na ha kwere na enwe nọchiri anya ndị nna nna ha nwụrụ anwụ. Ya mere oge ọ bụla ha hụrụ enwe, ha na-eji obi ọma anabata ya nke ọma. Mgbe ọ bụna okenye nwụrụ n'Akpowfụ, enwe bịa ebe ahụ, a mara na onye ahụ biri ezigbo ndụ. Obịbia enwe gosiri na onye ahụ ga-alakwuru ndịichie nke ọma.

N'obodo ahụ, o nwere mmiri dị na ya a na-akpọ **Owomkpueme**. Mmiri ahụ bụ ihe izizi mmadụ ga-ahụ mgbe ọ batara n'obodo Akpọwfụ. Oge ọ bụla **Owomkpueme** toro karịa etu o kwesịrị ito, ihe ọ na-ezi bụ ka ha kee nkwụcha n'ihi na ndị ọjọọ na-akwado ibata n'obodo ha.

## Ụmụokoroala

Obodo a dị na Ụmụahịa nke dị na Steeti Abịa. Ha na-ahụ ụkwụ ịkpọ mmadụ dịka ụzọ ihe abụọ. Nke mbụ bụ na mgbe mmadụ na-aga ihe, ụkwụ aka nri kpọọ ya n'okwute, ọ na-ezipụta na ihe ahụ ọ na-aga ga-adị mma, mana mgbe ụkwụ aka ekpe kpọrọ ya n'okwute, a mara na ihe ọ na-eje adịghị mma. Ọzọ dika ibe ya bụ mgbe anya ala, aka nri bidoro dọba mmadụ, maba jijiji esepụghị aka, a mara na onye dị onye ahụ n'ahụ ga-ala mmụọ. Nke a pụtara na ihe anyammiri ga-eme, nke bụ na onye ahụ ga-agbagarị jụọ ndị dibịa afa ase ka a mara etu a ga-esi bupu ọnwụ na-akụ aka n'ụzọ. Ọzọ dịka ibe ya bụ magbe mmadụ kwadosiri ịga mmemme were yiri azụ

akwa pụta na mbara, ihe o zipụtara bụ na mmemme ma ọ bụ ihe onye ahụ na-aga ụbọchị ahụ agaghị aga nke ọma. Ihe onye ahụ kwesịrị ime ịkwusị iga ebe ọ bụla ụbọchị ahụ.

**Ụmụle Ọhụhụ**

Obodo a dịkwa na Steeti Abịa. Egbeigwe bụ otu ihe na-ezipụta na mmadụ bụ ajọ mmadụ n'obodo ahụ. Mgbe ọ bụla egbeigwe batara kụjie osisi dị na mbara mmadụ, ihe o zipụtara bụ na ndị mmụọ bịara idọ ya aka ntị maka arụrụala ọ na-akpa. Mana mgbe ọ bụla onye ahụ jụrụ ichegharị, mgbe ọzọ egbeigwe ga-abịa, ọ dọgbuo ya.

Ọzọ dịka ibe ya bụ ikwiikwi nke ụfọdụ ndị Igbo na-akpọ ajọ nnụnụ na-ezi ozi ọnwụ. Ndị obodo a, nakwa ndị Igbo niile kwenyere na mgbe ọ bụla ikwiikwi bịara n'akụkụ ụlọ mmadụ bewe ma a chụpụrụ ya ma a chụpụghị ya na mmadụ ga-anwụ. N'ala Igbo niile, ozi ikwiikwi abụghị ezigbo ozi.

Osisi ùgbā nke dị n'ama obodo Ụmụle Ọhụhụ na-ezi ndị obodo ahụ ozi. O nweghi ihe ikuku kuru, aka osisi ahụ adakapụ, mana mgbe ọ bụla alaka osisi ùgbā ahụ dakapụrụ, ihe ọ pụtara bụ na nwoke dị ike ga-anwụ n'obodo Ụmụle Ọhụhụ.

**Ehime Mbanọ**

Ehime **Mbanọ** dị na Steeti Imo. Ha nwere ụzọ dị iche iche ha si ezisa ma ọ bụ enwetagasị ozi mana mmadụ ekwughị okwu.

Azịza/ụtarị: Oge ụfọdụ, ndị Igbo na-asị na mmadụ anwụghị ọnwụ chi ya. Mgbe mmadụ anwụghị onwụ chi ya, ndị ezinaụlọ ya na-enwe oke mwute. Oge ụfọdụ, ofu onye ma ọ bụ abụọ ga-ezi ya ozi tupu a donye ozu ya n'ili. Maka ikikere, e nyere ya tupu e lie ya, ozu ahụ ga-egosi onye gburu ya n'ike site n'iji azịza ma ọ bụ ụtarị were apịakasịa onye ahụ arụ. Mgbe nke ahụ na-eme, onye ọ bụla ga-amata onye gburu ya.

Onye ahụ nwụrụ anwụ ga-apịagide ya ụtarị were ruo mgbe o kwuputara na ọ bụ ya gburu onye ahụ.

Ȧrị̄rị̄́; Nke a bụ ụzọ ọzọ e si ezi ozi n'Ehime **Mbanọ**. Ndị Ehime/Igbo kwenyere na mgbe a na-akwaghị onye nwụrụ anwụ, obi anaghị adị ya mma n'ala mmụọ mana mgbe a kwaara ya, mkpụrụobi ya ezuo ike were lakwuru ndịichie. Nke a mere na ihe ha ji abịa egosi na iwe na-ewe ha bụ ibute nnukwu ar̄ị̄rị̄ bubata n'ụlọ ndị ezinaụlọ ya ka ha were new ike kwaa ya.

Agwọ Mmiri bụ ihe mmiri Ehime nke aha ya bụ Ọpara eluigwe ji ezi ozi. Ọpara eluigwe bụ mmiri si n'okwute agbapụta. Ọ na-eru eru maka ndị chọrọ igwu ya. Otu ihe adịghị eme na mmiri ahụ bụ ilụ ọgụ. Onye lụọ ọgụ, agwọ mmiri ahụ ga-apụta iji zie ha na ha dara iwu site n'ichụsasị ha, mana unu kpọchie ntị lụba ya, agwọ ahụ ga-ata ha mana ọgaghị egbụ ha egbu.

**Ụwa Ọhụrụ ndị Igbo:**

Oge ugbu a, eri a banyere na Senchụrị iri abụọ na otu, bụ oge ụwa ọhụrụ ndị Igbo. N'oge a, nnukwu ihe mgbanwe bidoro dịwa n'ihe gbasara isụ asụsụ Igbo, ọ kachasị n'ezinaụlọ. Otụtụ ezinaụlọ na-ahụtazị ịsụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo dịka ịkpa arụ. Ndị dị otụ a ji maka ịkwụsị asụsụ Igbo na ndụ ụmụ ha were etinye ụmụ ha n'ụlọ akwụkwọ dị oke ọnụ, ebe ha nụrụ na ndị nkụzi anaghị anwa anwa asụrụ ụmụ akwụkwọ Igbo. Ha were chefuo na mgbe isi kotere ebu, ọ gbawa ya isi. Ihe ode na-akọwa bụ na ụmụ aka ndị dị otu a amaghịzị na e nwere ihe bụ omenaala. Mgbe nwata toro, n'ejighi asụsụ ara nne ya wee too, nwata ahụ anaghị emecha omume dabara adaba maka na ihe dị n'ime ya ezuchaghị oke. Asụsụ bụ diọkpara omenaala, ebe omenaala bụ otu n'ime ihe gbara ọkpụrụkpụ mmadụ ji bụrụ mmadụ n'elu ụwa.

Mgbe nwata anaghị aghọta asụsụ Igbo, ọ bụzị nke anụmanụ ma ọ bụ nke ihe ndị ọzọ ga ndị Igbo ji akpakọrịta ka ọ ga-aghọta? Kedu onye ga-akọwara ya na ọnwụ na-akụ aka n'ụzọ mgbe ikwiikwi na-ebe n'akụkụ ụlọ ha? Mgbe opuinyịa gbubere n'obodo Ikwo, onye ga-agwa ya na oke osisi adago? Ọnọdụ ọtụtụ nne na nna na-etinye ụmụaka ha na senchụrị iri abụọ n'otu na-agba anyamiri n'ihi na ha amabeghi na ọnọdụ ụmụaka ahụ ga-anọ mgbe na-eteghị aka ga-abụ ihe anya mmiri. Oge na-abịa mgbe ha bu ofeke agaghị ama mgbe e kere nkụ ụkwa. Ha agaghị amata mgbe a lọrọ ha anya na mgbe e lere ha ezigbo anya.

Otu onye odee gbara ajụjụ na Steeti Ebonyị ebe akparamagwa isụ Bekee a kachasị, zara sị na "a na-ahụtazị ndị ụmụ ha na-asụ Igbo dịka ndị **Ogbojo** nakwa ndị iti na-amaghịzị ihe ekwe na-akụ". Ndị Igbo biko tetanụ n'ụra n'ihi na ndị Bekee ahụ ụnụ chọrọ ime ka ha nwekwara omenaala nke ha.

## Edensibịa

Akpabio, E. (2003). *African Communication System: An introduction system*: Lagos: B.print publication**.**

Blake, R. & Haroldson, E. (1975). *A Taxonomy of concepy in communication*. New York: Hastings House publishers.

Okeke, C.O. & Obasi, G.T. (2014). "Semantic Conteent of Igbo Traditional non-verbal modes of communication" International Journal of Linguistics and Literature.

Okunna, C.S. (1999). "*Introduction to Mass Communication* (2nd edition). Enugu: New Generation Books.

Onuora, N.T. & Obiakor, E.E.(2020). "African Traditional Communication System for Sustainable Cultural Heritage; Igbo People's Perspective" Ideal

International Journal of Igbo Scholars Forum, Nigeria.